JOURNAL OF IGBO LANGUAGE, LITERATURE, CULTURE AND RELIGIOUS STUDIES; VOLUME 2 NUMBER 1, 2026
ISSN: 3121-8598 (PRINT); E-ISSN: 3121-9403 (ONLINE)

# AGỤMAGỤ EDEREDE DỊKA ENYO: NNYOCHA OMIMI BANYERE NDỤ NDỊ ỌCHỊCHỊ N'ALA IGBO

**Ayozie Chioma Rosemary**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**
**Email: chioma.ayozie@futo.edu.ng**
**&**
**Mgborogwu Andrew Chukwuemeka**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**
**Phone:+234 803 799 2717**

**ỤMỊ**

Agụmagụ ederede na-arụ ọrụ dị mkpa dịka enyo e ji ahụ ma na-enyocha ndụ na omume ndị ọchịchị n'ala Igbo. Isiokwu a na-elekwasị anya n'ịtụle etu agụmagụ ederede si bụrụ enyo e ji enyocha, ekpughe ụdị ndụ, omume na usoro ọchịchị ndị ndu na-egosipụta n'etiti ọha mmadụ. Ebumnuche nchọcha a bụ igosi etu ndị odee si eji agụmagụ ederede ekpughe eziokwu gbasara omume ndị ọchịchị ma na-egosipụta mmekọrịta dị n'etiti ndị ndu na ndị ha na-achị. Nchọcha a jiri usoro nkọwa wee nyochaa akwụkwọ agụmagụ ederede ndị a họọrọ nke gụnyere *O Ji Ihe Nwata, Ọchịchị Ekperima* na *Omume Onye na-edu Ya.* A gbasoro atụtụ nṅomi nke Aristotle tụpụtara wee mee nchọcha a. A chọpụtara na agụmagụ ederede na-arụ ọrụ dịka enyo nke na-ekpughe omume ndị ọchịchi, ọ kachasị omume ọjọọ dịka nrụrụaka, iri ngarị, mmegbu, ịla akụ n'iyi, ikwe nkwa efu na iji aghụghọ gbanwee usoro ntụli aka. Ọzọkwa, nchọcha a chọpụtara na ndị odee na-eji akụkọ na agwa akụziri ndị mmadụ ihe gbasara ezi ọchịchị ma na-akpalitekwa echiche ha. N'ihi ya, a kwadoro na agụmagụ ederede bụ enyo e ji  akọwa ma na-akọrọ ndị mmadụ eziokwu gbasara ndụ ndị ọchịchị n'ala Igbo ma na-akpọkwa ndị ndu ka ha rụọ ọrụ ha nke ọma.

**Ọkpụrụkpụ okwu: Agụmagụ, ndụ ndị ọchịchị, ọchịchị, usoro nhọpụta**

## Mkpọlite

Agụmagụ ederede bụ otu n'ime ụzọ kachasi mkpa ndị mmadụ si akọwa ndụ ha, egosipụta echiche ha nakwa enyochaa ihe na-eme n'obodo ha. Okeyika (2021) kwuru na agụmagụ ederede bụ ọrụ nka nke a kọwapụtara n'ụzọ ederede, bụ nke na-akọ maka ndụ na obibi ya. Nwadike (2008) kwukwara na agụmagụ ederede na-arụ ọrụ dịka ụzọ e si eduzi, akụzi ma na-ekpochapụkwa omume ọjọọ n'obodo. Ọ bụ nke a ka e ji asị na agụmagụ ederede na-eṅomi ihe nke ụwa. N'ala Igbo, agụmagụ ederede abụghị naanị ihe e ji ekpori ndụ, kama ọ bụ enyo na-egosipụta ezi ọnọdụ ndu, omume na echiche ndị mmadụ, karịchaa n'ihe gbasara ndụ ndị ọchịchị.

Ọchịchị nke e jiri mere isiokwu nchọcha a bụ usoro e si achị obodo, nke gụnyere ndị na-achị, iwu na-achịkwa obodo na usoro e si eme mkpebi gbasara ọdịmma ndị obodo. Anozie (2003) kọwara ọchịchị n'ala Igbo dịka usoro obodo si achịkọba onwe ha iji chọọ udo, ịdịnootu, mmepe na agamniihu n'etiti onwe ha nakwa n'etiti ha na ndị mmadụ ndị ọzọ. Nke a pụtara na ndị Igbo na-erubere usoro ọchịchị isi n'ụdị ha nabatara ya dịka ụzọ e si emebe iwu, jiri iwu ahụ arụpụta ọrụ ma na-enyekwa ikpe ziri ezi ma ọ bụrụ na o nwere onye mebiri iwu obodo. Ndị nwere usoro ọchịchị nke ha, nke dabeere n'ikekọrịta ike, ikekọrịta akụnaụba, iduzi ndị okenye ha nakwa ikwanyere omenala na iwu obodo ha ugwu tupurịị ndị ọcha abịa. Usoro a mere ka ọchịchị bụrụ nke ndị mmadụ na-esonye n'ime ya n'ụzọ zuru oke, ebe ndị obodo nwere ikike ịhọpụta ndị ndu ha na-anọchite anya ha ma na-ekwupụta uche ha n'ihe gbasara obodo (Okeke, 2020, Afigbo, 2006).

N'usoro ọchịchị ndị Igbo, ndị ndu a họpụtara bụ ndị a na-enye ọrụ dị oke mkpa dịka ilekọta, ime udo na iweta mmepe n'obodo. A tụrụ anya ka ha jiri ezi omume na nghọta duzie ma chekwa ndị mmadụ hụ maka ọdịmma ndị mmadụ. Ọzọ, ịgba mbọ hụ na iwu na-achị obodo na-arụ ọrụ nkeọma. Dịka Odoemene (2012) si kwuo, ndụ ndị ọchịchị bụ akụkụ dị mkpa n'ebe ndị mmadụ nọ n'ihi na ha bụ ndị na-edu ma na-achị obodo. Ndụ ha gụnyere omume ha, mkpebi ha na mmetụta nke ihe ha na-eme n'ahụ ndị obodo. N'ihi nke a, ọchịchị ndị Igbo n'oge gara aga gosipụtara ụdị ọchịchị nke na-akwado ịdịnootu, ezi omume na mmepe obodo (Nwale, 2012).

Otu ọ dị ugbu a, a na-ahụ mgbanwe dị ukwuu n'ụzọ ndị ọchịchị si arụ ọrụ ha. Ọtụtụ n'ime ha na-eri mperi n'ọrụ ndị a tụrụ anya n'aka ha dịka o kwesịrị. Nke a butere mmụba nke agwa ọjọọ dịka nrụrụ aka, iringarị, mmegbu, ịlaakụ n'iyi, ikwe nkwa efu, itinye ndị na-erughị eru n'ọrụ ya na iji aghụghọ maọbụ ego gbanwee usoro ntụliaka (Ogundiya, 2010). Nsogbu ndị a emeela ka ọchịchị ghara ịrụ ọrụ nke ọma dịka o kwesịrị ma mee ka mmepe na-ala azụ. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị odee ji esi n'agụmagụ ederede ha egosipụta ndụ ndị ọchịchị, elekwasị anya n'ụdị ndụ ndị ha na-ebi iji gosi ma ha na-arụ ọrụ ha nkeọma maọbụ na ha anaghị arụ. Ha na-esite

n'agụmagụ ha were na-eme ka ndị mmadụ mata ma na-akatọkwa omume ọjọọ ndị ọchịchị, ya na otu o si bụrụ ụzọ a ga-esi ghọta ma melite ọchịchị n'ala Igbo.

Ederede a ga-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị ịgụ akwụkwọ Igbo n'ihi ọ ga-enyere ọhanaeze aka ọkachasị ndị na-etolite etolite aka igbaziri ha ma kụziere ha ụdị ndụ na usoro ha ga-agbaso n'ịchị ọchịchị ma ọ bụrụ ha e nweta onwe ha n'ọkwa ọchịchị. Nchọcha a ga-abakwara mmadụ niile uru n'ihi na a ga-esite na ya kpughee eziokwu gbasara ọchịchị, gosi omume ọjọọ ndị ọchịchị na-eme, mekwaa ka a hụ ihe dị n'ime ọchịchị nakwa etu ọrụ ha si bụrụ ihe nkụzi na mkpali mgbanwe n'obodo.

**Ntụleghari agụmagụ**

Ndị nchọcha ga-anọ n'ebe a leba anya n'ọkpụrụkpụ okwu ndị pụtara ihe, zipụta atụtụ e ji tụchaa edemede nchọcha a ma tụchakwaa ụdị ndụ ndị ọchịchị e gosipụtara n'ime agụmagụ ndị a họọrọ.

**Agụmagụ ederede**

Agụmagụ ederede bụ ụdị agụmagụ a na-ede n'akwụkwọ, nke na-egosipụta echiche, mmetụta na ahụmahụ mmadụ site n'asụsụ. Ọ dị n'ụdị dị iche iche dịka akụkọ, abụ na ejije. Silas (2011) kwuru na agụmagụ ederede bụ enyo nke na-ezipụta ihe niile na-eme na ndụ mmadụ, omenala na nkwenye nke otu mba e deturu n'akwụkwọ ka ndị mba ọzọ wee mata maka ya. Agụmagụ ederede na-egosipụta eziokwu ndụ site n'ịkọwa omume na ahụmahụ ndị mmadụ na-enweta kwa ụbọchị. Ọ na-akọ banyere ihe dịka ịhụnanya, esemokwu, ọchịchị, nrụrụaka, ogbenye na mmepe obodo. Ndị odee na-eji agwa na ihe omume egosipụta ụdị ndụ ndị mmadụ na-ebi. Ọtụtụ mgbe, dịka Nwagbara (2010) siri kọwaa, ihe ndị na-apụta n'agụmagụ ederede bụ ihe a na-ahụ n'ezi ụwa, nke na-eme ka onye na-agụ ya nwee ike ịmata ma tụnyere ya na ndụ ya. E nwere njikọ siri ike n'etiti agụmagụ na ndụ n'ụwa, n'ihi na agụmagụ ederede si n'ahụmahụ mmadụ pụta. Ihe ndị odee na-ede abụghị ihe efu, ha na-adabere na ihe ha hụrụ, nụrụ maọbụ nwetara n'ebe ndị mmadụ nọ. Agụmagụ ederede nwekwara ike ịgbanwe echiche ndị mmadụ, ịkụziri ha ihe maọbụ ịkpalite mgbanwe echiche ha. N'ihi ya, agụmagụ ederede na ndụ mmadụ na-arụkọ ọrụ ọnụ.

**Ọchịchị ndị Igbo**

Ọchịchị bụ usoro nhazi na nduzi ọhammadụ site n'iji ikike na iwu mee ka e nwee udo, ịdịnotu, nchedo na mmepe nke obodo. Ọ bụkwa ụzọ e si eme mkpebi gbasara nkesa ihe ndị bara uru n'ime obodo maọbu mba, ya mere o metụtara ikike, iwu, ndụ, ndọrọndọrọ ọchịchị, ụlọọrụ ọchịchị, mmepe akụnaụba, ikike mmadụ na ezi ọchịchị. N'ala Igbo n'oge gboo, ọchịchị abụghị nke otu eze maọbụ onye ọchịchị nwere ikike niile naanị ya, kama ọ bụ ọchịchị ndị mmadụ na-etinye ọnụ n'ime ya. Nke a mere e ji na-akpọ ya ọchịchị onye kwuo uche ya n'ụzọ ọdịnala, n'ihi mkpebi gbasara obodo na-abụkarị nke a na-akparịta ụka n'ọgbakọ ndị obodo.

N'usoro ọchịchị ndị Igbo, e nwere ndị dị iche iche na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịchị obodo. N'usoro ọchịchị ndị Igbo, ọchịchị na-amalite n'ezinaụlọ. Anozie (2003) kọwara na ọchịchị ndị Igbo bụ nke na-amalite n'ezinaụlọ ebe onye ọbụla bụ onye soro mebe ezinaụlọ ahụ na-esonye n'ọchịchị maka na onye ọbụla nwere ọrụ dịịrị ya n'ezinaụlọ. Nna bụ onye isi ezinaụlọ. Ọ na-achị, elekọta ma na-eme mkpebi gbasara ha. Mgbe nsogbu maọbụ mkpebi gbasara ọtụtụ ezinaụlọ dapụtara, a na-ebutere ya ndị ụmụnna. Ekwealor (2013) kwuru na onyeisi ọchịchị ụmụnna na-ahụ na e nwere ezi mmekọrịta, ikpe nkwụmọtọ na ọdịmma ọha obodo. E nwekwara òtù ọgbọ na òtù ụmụọkpụ ndị na-arụkwa ọrụ dị mkpa n'ọchịchị obodo. Anozie (2003), Ekwealor (2013), Okafo na Ewelukwa (2008) na Okolie (2015) kwekọrịtara na òtù ọgbọ na ụmụọkpụ bụ usoro ọchịchị na-ahụ maka ọrụ obodo dịka iwulite ụzọ, idozi ebe obibi na ichekwa obodo. Ha na-ahụkwa maka ọdịmma ụmụaka na ezinaụlọ. Ọzọkwa bụ ndịichie, ndị nze na ọzọ, ndị isi obodo na ọgbakọ ụmụamaala. Ndị okenye na ndị nze na ọzọ na-arụ ọrụ dịka ndị ndụmọdụ na ndị na-elekọta omenala na iwu obodo. Ọgbakọ ụmụamaala bụ ebe a na-ezukọta iji leba anya na nsogbu obodo ma kpebie ụzọ a ga-esi edozie ha. Nke a na-egosi na ọchịchị ndị Igbo bụ nke dabere n'ịtụlekọrịta echiche na ime mkpebi okwu n'obodo.

**Usoro nhọpụta ndị ọchịchị na ọrụ a tụrụ anya n'aka ha**

N'usoro ọchịchị ọbụla, ịhọpụta ndị ga-edu ọha mmadụ bụ otu n'ime ihe kacha mkpa n'ihazi obodo. Nhọpụta ndị ọchịchị na-eme ka e nwee ndị ga-anọchite anya mmasị na mkpa ndị obodo. N'ala Igbo, omenala na ọdịnala tinyere aka nke ukwuu n'ịhọpụta ndị ndu. A bịa n'oge ugbu a, usoro ntụliaka na ndọrọndọrọ bụ ihe na-arụ ọrụ. N'ụzọ a, ndị obodo nwere ikike ịhọrọ onye ha chere na ọ ga-anọchite anya ha nkeọma. Ntụliaka na-enye ndị mmadụ ohere ikwu uche ha n'ihe gbasara ọchịchị ma mee ka ọchịchị bụrụ nke ọhanaeze. N'oge gboo, a na-ahọpụta ndị ọchịchị site n'ụzọ dị iche iche dịka ọgbọ, ọgbakọ ndị okenye na nkwenye ndị obodo. Afigbo (2006) kwuru na usoro ọchịchị ndị Igbo bụ nke dabere n'ikekọrịta ikike n'etiti ndị obodo, ebe mkpebi na-apụta site n'ọgbakọ ndị okenye na ndị isi ezinaụlọ. Nke a na-egosi na ọchịchị ndị Igbo abụghị nke otu onye maọbụ nke naanị eze, kama ọ bụ nke ọha mmadụ niile na-etinye aka na ya. Isichei (2004) kọwara na ndị a na-asọpụrụ n'ihi omume ọma ha ka a na-ahọpụta ka ha bụrụ ndị ndu. Ihe ndị a na-elebara anya bụ amamihe, ezi omume na ikike ijikwa okwu nkeọma n'ime obodo. N'ụzọ dị otu a, onye ga-abụ onye ndu aghaghị ịbụ onye obodo nwere ntụkwasịobi n'ebe ọ nọ. N'oge ọchịchị ugbu a, a na-ahọpụta ndị ọchịchị site n'usoro ntụliaka. Nke a bụ ụzọ kacha mma e si

ahọpụta ndị ọchịchị n'oge a. Ndị mmadụ na-ahọpụta ndị ndu ha site n'itụnye vootu n'aka onye ha chere na ọ ga-anọchite anya ha nkeọma. Heywood (2013) kwuru na ntụliaka bụ ụzọ ndị mmadụ si egosipụta uche ha ịhọrọ ndị ga-achị ha ma duzie obodo ha. Ndị nwere mmasị na-abanye n'otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche na-asọ mpi n'otu ntụliaka. Ha na-ekwe nkwa dị iche iche ihe ha ga-emere ndị obodo, ma ọ bụrụ na a họpụta ha dịka ndị ga-anọchite anya ndị obodo. Nkwa ndị a ga-eme ka ndị mmadụ hụ ha n'anya nkeọma ma tụnyere ha vootu ma mgbe ntụliaka gasịrị, a na-atụ anya na onye meriri ga-abụ onye ọtụtụ ndị obodo họọrọ. Nnoli (2011) kwuru na ntụliaka bụ ụzọ ndị mmadụ si ahọpụta ndị ga-anọchite anya ha n'ọchịchị site n'ịtụ vootu. Usoro a na-enye ndị obodo ohere ịhọrọ ndị ha chere na ha nwere ikike ịrụ ọrụ nkeọma ma e nye ha ọkwa ọchịchị.

Mgbe ndị obodo họpụtara ndị ọchịchị, a tụrụ anya na ha ga-enwe ezi omume na ntụkwasịobi. Ezigbo onye ndu kwesịrị ịbụ onye na-eje ozi maka ọdịmma ọha mmadụ, ọ bụghị naanị maka ọdịmma onwe ya. Nke a pụtara na onye ọchịchị kwesịrị igosi ịdị umeala, ikwu eziokwu na ịdị njikere ijere ndị obodo ozi. A tụrụ anya n'aka ndị ọchịchị ime ka udo na ịdịnootu dịrị n'obodo. Okafor (2010) na-akọwa na ọrụ onye ndu bụ ijikọ ndị obodo ọnụ, idozi esemokwu, idobe iwu na omenala obodo. Mgbe ndị ọchịchị na-arụ ọrụ ha nkeọma, ọ na-eweta ọganihu na udo n'obodo. Nwala (2014) kwuru na ezigbo ndị ọchịchị na-apụta mgbe ndị ndu na-arụ ọrụ iji meziwanye ọnọdụ ndụ ndị obodo dịka iwulite akụrụngwa, ịkwalite agụmakwụkwọ na ime ka akụnaụba obodo na-eto eto. Nke a na-egosi na ndị ọchịchị kwesịrị ịbụ ndị na-eche echiche maka ọdịniihu obodo.

Ịhọpụta ndị ọchịchị bụ usoro dị oke mkpa n'ime ndụ ọhammadụ. N'ala Igbo, a na-eme ya site n'usoro omenala dịka ọgbakọ ndị okenye na nkwenye obodo, mana n'oge ugbu a, ọ bụ site na ntụliaka elu ka e ji eme ya. Mgbe a họpụtara ndị ọchịchị, a tụrụ anya ka ha na-eme ezi omume, na-arụ ọrụ maka udo na mmepe obodo ma na-anọchite anya mmasị ndị mmadụ nkeọma.

N'oge ugbu a, e nwere ọtụtụ omume ọjọọ a na-ahụkarị n'aka ụfọdụ ndị a họpụtara ka ha chịkwaa obodo. Omume ndị a na-emebi usoro ọchịchị onye kwuo uche ya ma na-adọla mmepe obodo azụ. Omume ndị a gụnyere ịzụrụ vootu, nke a bụ omume ebe ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-enye ndị ntụliaka ego maọbụ ihe ndị ọzọ iji mee ka a tụnyere ha vootu. Omume a na-emebi ezi ntụliaka ma mee ka ndị mmadụ ghara ịhọpụta onye maọbụ ndị kwesịrị ịbụ ndị ezi ndu.

Ụfọdụ ndị ọchịchị maọbụ ndị na-achị ọchịchị na-eji ike, egwu na mwakpo eme ka ndị mmadụ tụnyere ha vootu maọbụ họpụta ha. Collier na Vicente (2012) kọwara na iji ike eme ndọrọndọrọ ọchịchị na-ebute esemokwu na nrụrụaka n'obodo. Ndị ọchịchị ụfọdụ na-eji ọnọdụ ha eme ihe maka ọdịmma onwe ha kama ọdịmma obodo. Nke a gụnyere iji ego obodo, ịkpa iwu n'ụzọ na-ezighị ezi maọbụ ime mkpebi n'ụzọ na-adịghị mma. Ojo (2015) kwuru na iji ikike eme ihe n'ụzọ na-ezighị ezi na-egbochi mmepe ọbọdọ ma na-eme ka ndị mmadụ ghara ịtụkwasị ndị ndu ha obi. Ọzọkwa dịka ibe ya bụ na ndị a họpụtara ịchị ọchịchị na-ewere ọrụ maọbụ ohere n'ọchịchị nye ndị enyi maọbụ ndị ezinaụlọ ha, ọ bụladị ma ha erughị eru maka ọrụ ahụ. Adeleye (2020) kwuru na onye nọ n'ọchịchị inye ụfọdụ ndị ohere pụrụ iche n'ihi ezinaụlọ, enyi, mmekọrịta maọbụ mmasị onwe ya ọbụladị ma ha eruru eru karịa ndị ọzọ, nke a na-eme ka obodo na-agba ọnyụpa.

Ịgha ụgha na ịghọgbu ndị mmadụ bụ omume ọjọọ a na-ahụkarị n'aka ụfọdụ ndị ọchịchị. Iwuamadi (2013) kwuru na ịgha ụgha maọbụ ịghọgbu mmadụ site n'inye ozi na-abụghị eziokwu na-emebi ntụkwasị obi na mmekọrịta ndị ndu na ndị obodo. Nke a pụtara mgbe ndị na-achọ ọkwa ọchịchị na-ekwe nkwa dị iche iche n'oge ntụliaka iji mee ka ndị mmadụ kwado ha ma mgbe ha nwetara ọkwa ọchịchị ha anaghị emezu nkwa ndị ahụ. Ụfọdụ ndị a họpụtara na-eleghara ọrụ ha anya na-eme ka mmepe obodo laa azụ kama ilekwasị anya na'ọrụ ha, ha na-etinyekarị uche n'ụzọ ha si ebukọrọ akụnaụba obodo maka onwe ha. Ezeani (2012) kwuru na ileghara ọrụ ọchịchị anya bụ otu n'ime ihe na-eme ka mmepe obodo ghara ịga n'ihu. Nke a na-akọwa na ndị ọchịchị a họpụtara na-etinyekarị uche n'ihe ga-ewetara ha uru onwe ha, mgbe nke a mere ọrụ na-akwụsị kpamkpam.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ atụtụ nṅomi nke Aristotle (1987) gosipụtara n'akwụkwọ ya bụ *Poetics*, nke bụ otu n'ime echiche kachasị mkpa n'ụwa agụmagụ. Aristotle jiri atụtụ a kọwaa na agụmagụ bụ nṅomi nke ndụ mmadụ, nke pụtara na ihe ndị odee na-ede na-apụta site n'ihe na-eme n'ezi ndụ kwa ụbọchị. N'echiche ya, agụmagụ abụghị naanị akụkọ ifo, kama ọ bụ ụzọ e si egosipụta omume, agwa na ọnọdụ mmadụ. Aristotle kwadoro na nṅomi nwere uru ọgụgụ isi na nke mmụta, n'ihi na ọ na-enyere mmadụ aka ịghọta eziokwu ndụ nkeọma. O kwusiri ike na mmadụ nwere agwa nke ime nṅomi site n'okike ma site na nke a ka mmụta na-amalite. N'ihi ya, agụmagụ abụghị naanị ihe ntụrụndụ, kama ọ bụkwa ụzọ e si amụta ihe gbasara ndụ.

N'ime *Poetics*, Aristotle kọwara na atụtụ nṅomi na-elekwasị anya n'ihe atọ bụ isi: ihe a na-eṅomi, ụzọ e si eṅomi na ụdị e si eṅomi. Ihe a na-eṅomi bu omume mmadụ, ụzọ maọbụ ngwa e si egosipụta ya bụ asụsụ, ụda maọbụ ihe oyiyi e ji egosipụta ya, ebe ụdị e si ewebata maọbụ usoro e si akọwa ya bụ akụkọ maọbụ ihe nkiri. N'echiche a, agụmagụ na-arụ ọrụ dịka enyo nke na-eme ka a hụ omume mmadụ n'ụzọ doro anya.

Otu akụkụ dị mkpa n'atụtụ nṅomi pụtara ịtọpụ maọbụ ịsacha mmetụta obi dịka ụjo na ebere. Aristotle kwuru na mgbe mmadụ gụrụ maọbụ hụ ihe omume dị ka nke a n'agụmagụ, ọ na-enweta mgbake ime mmụọ, nke na-enyere ọgụụ aka ịghọtạ ndụ nkeọma ma mekwaa ka omume ya bụrụ nke ka mma. Nke a na-egosi na agụmagụ nwere ọrụ dị ukwuu n'ịzụlite omume ọma mmadụ.

N'itụle isiokwu a bụ agụmagụ ederede dịka enyo nnyocha omimi banyere ndụ ndị ọchịchị n'ala Igbo, atụtụ a na-enye ntọala siri ike maka nnyocha. Nke a bụ n'ihi na ọ na-egosi na ihe ndị odee dere gbasara ọchịchị dịka aghụghọ, iri ego ọha, ọchịchị ike na mmegbu mmadụ bụ nṅomi nke ihe na-eme n'ezi ndụ. Ya mere, agụmagụ na-arụ ọrụ dịka enyo nke na-ekpughe ezi omume na omume ọjọọ ndị ọchịchị ma na-akpali ndị na-agụ ya ka ha nyochaa ma gbanwee onwe ha.

**Ndụ ndị ọchịchị dịka o si pụta ihe n'agụmagụ ederede**

E nwere ụdị ndụ ọjọọ dị iche iche ndị ọchịchị na-egosipụta nke gụnyere:

- **Ndị ọchịchị na-etinye mmadụ n'ọkwa ọchịchị n'ihi ego o nwere:** N'usoro ọchịchị onye kwuo uche ya, ndị mmadụ na-ekpebi ma họrọ ndị ndu ha, ma ndị ndu ahụ na-aza ajụjụ n'aka ndị họpụtara ha. Ndị mmadụ na-ekpebi onye ga-anọchite anya ha n'ụlọ omeiwu nakwa onye ga-abụ onye isi ọchịchị n'ogo mba, steeti na ọchịchị ime obodo. Ha na-eme nke a site n'ịhọpụta ndị ruru eru site n'otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche, n'ime ntụliaka n'ụzọ onye kwuo uche ya.

Ọnọdụ ọchịchị n'ala Igbo n'oge ugbu a, anaghịzi etinye maọbụ ahọpụta mmadụ site na ntozuoke ya nakwa onye maara ihe, kama ọ bụzi onye kara jiri ego ka a na-ahụtazi taa. A kọwara ọnọdụ a nkeọma n'akwụkwọ *O ji ihe Nwata* nke Okoro na Epuchie (2006). N'ime akwụkwọ a, e gosịrị otu ndị Ụmụọma siri zukọta iji kpebie onye ga-abụ eze ha, mgbe gọmenti rịọrọ ndị obodo ka ha zipụta onye ga-anọchite anya ha. Nlereanya a na-egosi otu mkpebi banyere onye ga-abụ onyeisi ọchịchị si abụkarị nke ndị nwere ego, kama ịbụ mkpebi nke ọhaobodo dum. Okoro na Epuchie (2006) gosipụtara nke a mgbe Iruoha, otu n'ime ndị okenye nọ n'ọgbakọ ahụ malitere ikele ọhanaeze:

> A sị na agba e yiri eyi ka ogbenye jiri bụrụ ọgaranya. Abalị anọ gara aga ka anyị gụrụ akwụkwọ ndị gọmenti obodo anyị deere anyị banyere ịhọpụta eze ga-achị obodo a. Ụbọchị ahụ, anyị sịrị onye ọbụla baa ọhịa ajụjụ na ọhịa uche. Were anya okenye ji ele ihe dị n'akpa dibịa mata onye anyị kwesịrị ichi eze ga-achị obodo a. Onye nke ga-agachitere anyị ozi n'aka ndị gọmenti. Ugbu a, egede esirila. Ọ bụzi onye kwuo uche ya. (ihu akwụkwọ 10-11)

Nke a bụ echiche zuru oke a tụrụ anya n'ọchịchị onye kwuo uche ya. A tụrụ anya na obodo ga-ahọpụta ndị ga-anọchi anya ha. Mana otu ọ dị ugbu a, n'ihi ajọ omume, nrụrụaka nakwa inwe nsọpụrụ na ntụkwasịobi n'ebe ego nọ nke gbaworo mgbọrọgwụ miri emi n'ahụ ndị ọchịchị ndị Igbo. Okoro na Epuchie (2006) zipụtara nke a mgbe Anyadike, otu n'ime ndị agbataobi ha biliri ọtọ were kwuo sị:

> Kedụ ka anyị niile gbachitere nkịtị ka a ga-asị na anyị amaghị ihe anyị ga-eme maọbụ ihe anyị ga-ekwu. Ọ bụ na mgbeke amaghị isi akpụ, ka ọ bụ na agụba adịghị nkọ? Ndị Igbo sị na anya ka e ji ama ọka kara aka. Ịga tụwasịwa ya tupu a ghọọ ya bụ ohi. Onye ọbụla n'ime anyị amarala na ego na-achị ụwa taa. Ọ bụ onye ji ego ka ọnụ na-eru n'okwu na gọmenti. N'ihi nke a, a na m asị ka anyị lechaa elechaa tupu anyị eloo, karịa ilo ụtara na ogwu, asịkwanụ m kwuwe, a ga m asị ka Okparaku bụrụ onye anyị ga-echi eze. (Ihu akwụkwọ 11)

A sị kwuwe, Okparaku abụghị onye ndị obodo kwesịrị ịhọrọ dịka e siri hụ ya n'akwụkwọ, ma n'ihi na o nyere ndị obodo nnukwu ego maka ụfọdụ ọrụ mmepe obodo, ụfọdụ ndị mmadụ kwadonyesiri ya ike ka ọ bụrụ eze ga-anọchite anya obodo ha. Ebe e werela ego were zụrụ obi ha, ha gbochiri atụmatụ ndị obodo ịkpọpụta onye ha chọrọ ga-anọchite anya ha. Onye ndị obodo chọrọ bụ onye sitere n'ezinaụlọ ndị Ụbaanị bụ Isiguzo onye nna ya bụ Ojiọfọ dịka omenala na ọdịnala siri kwuo. N'ihi ego na-achị ọchịchị ya mere otu onye n'ime ndị obodo jiri kwuo sị:

> Kedụ onye ọ bụ n'ezinaụlọ Isiguzo? Ha buteliri igu ewu tara ma ya fọdụ ịchịkọta ọha obodo Ụmụọma Otuobi? (ihu akwụkwọ 13)

Site n'ihe ndị a kọwara, o gosịrị na ihe gbasara ọchịchị dị otu a, ego na-ekwukarị okwu mgbe ụfọdụ. I lee anya, n'ihi na Isiguzo sitere n'ezinaụlọ na-ejighị ego, a naghị emeso ya omume dị mma, a chọrọ ịnapụ ya ihe ruru ya n'ihi na o nweghị ego. N'ala Igbo taa, e nwere ọtụtụ ndị nwere ikike na amamihe ndị dịka Isiguzo, nwere ike ijide ọkwa ọchịchị ma rụpụtakwa ezigbo ọrụ na ya, mana n'ihi na ha abụghị ndị nwere ego, ya mere e nweghị ike ịhọpụta ha, a na-etinyekarị ha n'azụ ma ghara inye ha ohere ịchị ọchịchị.

- **Ndị ọchịchị na-etinye mmadụ n'ọkwa ọchịchị maka ihe onye họpụtara ya ga-erite:** Nke a bụ omume ebe onye nwere ikikere ịhọpụta mmadụ na ahọrọ onye ga-ejide ọkwa ọchịchị, ọ bụghị n'ihi ntozuoke ya ka o jiri họrọ ya, kama ọ bụ uru ya onwe ya ga-erite n'aka onye ahụ ya na onye ga-erubere ya isi. Otukwu (2014) zipụtara nke a n'akwụkwọ ya bụ *Ọchịchị Ekperima* mgbe Amadi nwere mmasị ịzọ mpi maka ọkwa onyeisi oche n'okpuru ọchịchị obodo Amaizu, ma ọ dịghị onye nwere ike ịkwado ya. N'ikpeazụ, nwanne nna Amadi rịọrọ Udemba onye ghọtara nkeọma ihe metụtara ndọrọndọrọ ọchịchị ka ọ kwado

Amadi. Udemba kwetara ịkwado Amadi mana tupu Udemba ekweta ịkwadọ Amadi, o mere ka Amadi dụọ isi na ya ga-erubere ya isi ma mee ihe ọbụla ọ ga-agwa ya mee. Otukwu (2014) zipụtara nke a mgbe Udemba kwuru na:

> Ihe gbasara ndọrọndọrọ ọchịchị abụghị naanị onye eziokwu, ma ọ bụ onye ga-arụrụ obodo ọrụ ka a chọrọ. O nwere ihe a na-akpọ irube isi. Nwa nwanne gị nwoke a, ọ bụ onye mmadụ ga-atụkwasịobi na ọ ga-erube isi ma ọ banye n'ọchịchị. (ihu akwụkwọ 2)

Ihe a ka a na-ahụta n'ihe gbasara ịzụokwe ndọrọndọrọ ọchịchị n'ala Igbo. Ọtụtụ ndị na-enye nkwado na-eme ya n'ihi uru ha tụrụ anya irite ma ọ bụrụ na onye ha kwadoro enweta mmeri. Ụdị agwa a, na ọtụtụ oge, na-eme ka onye na-achọ ọkwa ọbụla tinye onwe ya n'imere onye maọbụ ndị nyere ya nkwado ihe ozugbo ọ banyere n'ọkwa ọchịchị.

- **Ndị ọchịchị na-etinye ndị na-etozughị etozu n'ọrụ iji kwụọ ụgwọ ndọrọndọrọ ọchịchị:** N'ebe a, onye nyere nkwado na-amanye onye nwetara ọkwa ọchịchị ka ọ kwụghachi ya ụgwọ site n'ime onye ọchịchị ka o tinye ndị nke ya na-etozughị etozu n'ọrụ. Otukwu (2014) gosipụtara ya mgbe Amadi nwetara ọkwa onyeisioche n'okpuru ọchịchị obodo Amaizu. Udemba gwara Amadi na:

> A chọrọ m ịma isi akụkọ a m na-anụ, na Ị jụrụ iwe ndị m nyere gị aha ha ka i tinye ha n'ọchịchị gị, ma jụkwa inye ndị m nyere gị aha ha n'ọrụ ngo. Kedụ ihe nka a pụtara?

Amadi: Ndị ahụ I dere aha ha ka m tinye n'ọchịchị m etozughi oke n'ụzọ ọbụlạ ịnọ n'ọchịchị obodo. Ụfọdụ n'ime ha agụghị akwụkwọ, ndị nke gụrụ akwụkwọ, a na-enyo ha enyo na aka ha akwụghị ọtọ.

Udemba: Bịa nwoke m, Ị ṅụrụ mmanya? Ị na-achọ ịkọwara mụ bụ Chiifu Udemba na m amaghị ndị tozuru ịnọ n'ọchịchị Amaizu na ndị etozughị? Jiri nwayọọ tinye aha ndị m gwara gị tinye n'ọchịchị. N'otu aka ahụ, nye ndị m gwara gị nye ọrụ ngo.

Amadi: Haa, Chiifu, ndị a I kwuru na ha bụ ndị ọrụ ngo, ụfọdụ n'ime ha bụ ndị na-azụ ahịa n'Ọnịcha. Ha enweghị akụrụ ngwa e ji arụ ọrụ ngo ọbụla, ma ya fọdụzịa na o zughị ezu. Anyị mere nnyocha banyere ha.

Udemba: Ị bụ onye nzuzu, Amadi maọbụ ihe ọbụla Ị na-aza. Gịnị gbasara gị ma ha nwere akụrụ ngwa ka ọ bụ na ha enweghị? Ihe kwesịrị ịbụ mkpa gị bụ na ha rụrụ ọrụ Ị nyere ha. (ihu akwụkwọ 39-41).

Amadi: Mana kedụ etu ha ga-esi mee nke ahụ ma ọ bụrụ na ha enweghị akụrụngwa?

Udemba: Nke ahụ abụghị nsogbu gị. Ị ga-enye nkịta ọkpụkpụ, jụwa ya ma o nwekwara eze ọ ga-eji taa ya? Ọ gbasara gị? Ọ bụ gị bụ onye mbụ bụ onyeisioche okpuru ọchịchị a? Ọ bụrụ na ị maghị etu e si achị obodo a, gaa jụọ ase. (ihu akwụkwọ 39-41)

Mgbe e kwusịrị ihe niile a, Amadi mechara mee ihe Udemba gwara ya n'ihi na Udemba nyeere Amadi aka mgbe ọ na-azọ ọkwa onyeisi oche n'ihi ihe nrite ọ ga-enwete mgbe Amadi nwetara mmeri. Amadi n'onwe ya chefuru na ọ bụ ndị kwesịrị inweta ọrụ ahụ bụ ndị tozuru etozu na ndị nwere ike ịrụrụ ndị obodo ọrụ.

- **Ịkpagbu ndị mmadụ:** Ọchịchị onye kwuo uche ya, kwuru na otu ndọrọndọrọ ọchịchị niile nwere ikikere ịgbasa ozi na nkwado inweta ntụliaka na-eweghị ihe mgbochi, mkpagbu maọbụ ụdị ime ihe ike ọbụla. Mana ndọrọndọrọ ọchịchị ndị Igbo, a ghaghị inwe esemokwu, ọgụ maọbụ iyi ndị pụtara ịzọ ọkwa ọchịchị ọbụla egwu, nke na-esite n'aka ndị otu ndọrọndọrọ ọchịchị ndị ọzọ. Ọtụtụ mgbe ụdị agwa ọjọọ ndị a na-ebute ịkwafu ọbara, ịtọrọ mmadụ, imebi ihe onwunwe mmadụ na iyi ndị mmadu egwu. Mgbe ụfọdụ, ụdị omume ọjọọ ndị a na-eme ka onye pụtara ịdọ ọkwa ọchịchị nwere ike ọ gaghị enwezi mmasị ịdọ ọkwa ọchịchị ọbụla ọzọ n'ihi ụjọ e tinyere ya n'ime. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Otukwu (2014) *Ọchịchị Ekperima* mgbe ndị otu ndọrọndọrọ ọchịchị Udemba yiri Dọkịtọ Agbo egwu wee si:

> I mekpaala ọtụtụ ndị mmadụ ahụ n'obodo a. I chere na ọ bụ naanị gị nwere ego? Ka I chere na ọ bụ naanị gị garala ala bekee? Iji gwa gị eziokwu, ha achọghị gị ndụ, kama ọ bụ arịrịọ m rịọrọ ha mere ha ji gbanwee obi ha. Naanị ihe ha chọrọ ugbu a bụ ka I were aka gị wepụ onwe gị na ntụliaka a ga-eme n'izu ụka n'abịanụ.

Dọkịtọ Agbo: Gịnị? Bịa, nwoke m, I makwa ihe Ị na-ekwu? Mụ wepụ onwe m na ntụliaka m mefurula nnukwu ego na ya?

Apolo: Nke ahụ bụ ihe gbasara gị. Ọ bụ gị chọrọ imefu ego. Mana ozi anyị doro anya. Akwụkwọ ahụ bụ akwụkwọ na-agwa ndị pati gị na ndị otu na-ahazi ntụliaka na I wepụla onwe gị n'ịzọ ọkwa onyeisi oche okpuru ọchịchị Amaizu. E dechaala ihe niile e kwesịrị ide n'akwụkwọ ahụ. Naanị ihe I ga-eme ugbu a bụ itinye akara e ji mara gi n'elu ebe e dere aha gị. Mee nke a na-atụfụghị oge.

Dọkịtọ Agbo: Ụnụ amaghị ihe ụnụ na-akọ. Gaanụ gwa onye ahụ zitere ụnụ na ọ gaghị adịrị ya mfe etu o siri chee.

ISSN: 3121-8598 (PRINT); E-ISSN: 3121-9403 (ONLINE)

Apolo: Ọ dị m ka Ị ghọtaghị ihe m na-ekwu. Naanị ihe abụọ ga-eme ebe a ugbu a. Ọ bụrụ na Ị tinyghị aka n'akwụkwọ ahụ m nyere gị, họrọ nke Ị chọrọ. Ị ga-eme ihe m gwara gị, ka ọ bụ m gbagbuo gị?

Agbo: Biko, biko!! A ga m eme ihe I kwuru

(ihu akwụkwọ 32-33)

- **Ndụ ikwe nkwa ụgha:** N'ala Igbo, ndọrọndọrọ ọchịchị na-enwe agwa ikwe nkwa ụgha. Ụfọdụ otu ndọrọndọrọ ọchịchị na-ekwe nkwa ezi ọchịchị, ezi okporoụzọ, ụlọọgwụ, ụlọakwụkwọ na mmepe ndị ọzọ dị iche iche. Ma ozugbo a họpụtara otu ndị a n'ọrụ ka ha nọchite anya ndị obodo, nkwa niile ndị ahụ aghọọ ihe efu dịka ihe a na-ahụ anya ma ọ naghị eru aka. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Otukwu (2014) *Ọchịchị Ekperima* mgbe Udemba kwuputara ihe ndị a ga-emere ndị obodo Amaizu ma ọ bụrụ na a họpụta onye otu ya dịka onyeisi oche obodo ndị Amaizu. Ọ sị:

  > Iji gwa ụnụ eziokwu, ọtụtụ n'ime ndị na-apụta ịzọ ọkwa ọchịchị a bịara rịọ m ka m kwado ha. Mana e kwenyere m na onye kwesịrị inye ọchịchị obodo ga-abụrịrị ezigbo mmadụ. A tụlere m ndị a, hụ na mmadụ adịghị n'ime ha. Nke a mere m ji na-agwa ụnụ ugbu a ka ụnụ pụta n'igwe, etu ụnụ si mee taa ụbọchị a ga-eme ntụliaka, bịa tụnyere Amadi vootu ụnụ. Vootu ọbụla ụnụ nyere Amadi bụ maka ezi ọchịchị na elele na-eso ya n'azụ dịka ezi ọkpọrọ ụzọ, ụlọọgwụ, ụlọakwụkwọ na mmepe ndị ọzọ dị iche iche.

  (ihu akwụkwọ 26)

- **Ndụ mmegbu**: Ọtụtụ ndị na-enyere ndị na-achọ ọkwa ọchịchị aka na-anọ ndị ọchịchị ọnọdụ mmegbu mgbe ọbụla ha na-emeghị ihe ha chọrọ ka ha mee. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Otukwu (2014) *Ọchịchị Ekperima* mgbe Udemba hụrụ na Amadi ekweghị ime ihe ọ gwara ya mee. Ọ gara n'ihu tinye obodo Amadi na-achị n'ọgbaaghara. A hụrụ nke a mgbe Udemba gwara ndị ụmụazụ ya Apolo, Ayon na Nduka,

  > E ji m n'aka na ụnụ ghọtara ihe m kwuru nkeọma? Enyela m ụnụ otu narị puku naịra. Werenụ ego ahụ kpọkuo ndị omekome juru obodo a, kee ha ego ahụ, ma duru ha tinye ọgbaaghara n'obodo a. A chọrọ m ụdị ọgbaaghara nke ga-eme ka Amadi si n'obodo a gbaa ọsọ. Ụnụ anụla ihe m kwuru?

Ya bụ, kama onye ọchịchị tinyere mmadụ n'ọchịchị ịbụ onye nchedo na nduzi, ya abụrụzie onye na-eweta ụjọ na ihe nhujuanya n'obodo.

- **Ileghara uche na olu ndị mmadụ:** Ndị ọchịchị anaghị ege ntị maọbụ tụlee echiche na mkpesa ndị obodo, kama ha na-eme mkpebi naanị na mmasị onwe ha. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Nwadike (2008) *Omume onye na-edu ya,* mgbe Eze kpọrọ ndị òtù kansụl ya ka ha kpebie onye n'ime ụmụ ya ga-anọchi ya mgbe ọ nwụrụ. Site n'okwu ọnụ ụmụ ya, ụmụ ya atọ gosipụtara echiche ha n'ihu kansụl ahụ. Site n'okwu ha kwuru, kansụl ahụ chọpụtara na nwa ya nke ikpeazụ bụ Onochie, bụ onye kacha daba adaba ịchị ha mgbe nna ha nwụrụ. Ma eze ahụ mebiri olileanya ndị mmadụ site n'inye oche ọchịchị ahụ nwa ya nke abụọ bụ Ikechi megide ọchịchọ obi ndị kansụl na nke obodo dum. Ikechi bụ onye mpako, onye ọchịchị ike, onye chọsiri ọchịchị ike na onye a na-apụghị ịbịakete nso. Ichie Echefu kwuru sị na:

  > Ọchịchọ Ikechi ga-abụ ka ya bụrụ onye ọchịchị. Ọ ga-achọ ka ya lụgbuo ọtụtụ mba n'agha. Nganga ya abụghị ihe a ga-eji ọnụ akọwa. N'ihi ihe ndị a, ndị obodo ya ga na-atụ ya nnukwu egwu. N'ihi ụjọ a, ha agaghị na-eru ya nso. N'ihi ya kwa, ha agaghị ahụ ya n'anya. (ihu akwụkwọ 29)

Mgbe e kwuchara ihe niile ma mechaa, ndị Ụmụezeala biliri megide Ikechi n'ihi ụdị ọchịchị ọjọọ ya. N'ihi nke a, a napụrụ ya ọchịchị ma nyefee ya Onochie, onye nwere agwa ọma nke onye ndu kwesịrị inwe, ma na-eburu ọdịmma ndị obodo n'obi. "Kama ndị obodo ga-anwụ ka eze dịrị, ọ ka mma ka eze nwụọ ka ndị obodo jiri aka ha họrọ eze ga-achị ha". Nke a na-egosipụta na ike ọchịchị na-esite n'aka ndị mmadụ gaa n'aka onye ndu.

- **Itinye mgbagha, ọgụ na nkwafu ọbara:** Ọchịchị onye kwuo uche ya na-akọwa na ndọrọndọrọ ọchịchị niile ndị pụtara maka ịzọ ọkwa ọbula nwere ikikere ịpụta n'igwe were kwupụta ihe ha ga-emere ndị obodo ma ha tụnyere ha na-enweghị mmekpaahụ ọbụla. N'ala Igbo n'oge ugbu a, o nweghị mgbe ndị ọchịchị ọbụla na-apụta ikwupụtara ndị obodo ihe ha ga-emere ndị obodo ma ha tụnyere ha a ghara inwe mgbagha maọbụ ọgụ site n'aka pati ndị mmegide. Nke a na-ebute ọtụtụ nkwafu ọbara, ịtọ mmadụ na imebi ihe onwunwe. N'igosipụta echiche a, Nwadike (2008) kwuru:

  > Na ndọrọndọrọ a, e nweghi ihe otu ndị a niile na-emeghi iji mee ka afọ maa ibe ha n'ala. Ndị nwee ọgbakọwa, ndị ọzọ emelite, sowe ha site n'idunye ndị ogbuaraọbara ka ha lụso ha ọgụ. Mgbe ụfọdụ, a na-eti mmanwụ iji chụsaa ndị bịara ige ntị. Ebe dị iche iche, a gbara ọtụtụ ugbọala ọkụ ma merụọkwa ndị mmadu ahụ. Ọtụtụ mgbe, e suru ụlọ ndị mmadụ ọkụ, bụ ndị a maara na-adọnyere otu òtù maọbụ ọzọ ukwu. Arụ mere.  (ihu akwụkwọ 2)

- **Ikwe nkwa efu**: Ọchịchị n'ala Igbo jupụtakwara na ikwe nkwa efu. Ụfọdụ otu ndọrọndọrọ ọchịchị na-ekwe nkwa agụmakwụkwọ n'efu n'ogo niile, ọgwụgwọ ọrịa n'efu, inye ọkụ latrik mgbe niile, mmiri ọṅụṅụ n'efu, nri n'efu, ịkwụ ụgwọ ọnwa ndị ọrụ oge niile na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ma ozugbo a họpụtara ha, nkwa ndị a niile na-abụ naanị nrọ efu. N'akwụkwọ Nwadike (2008), a kọwara nke a nkeọma mgbe e kwuru:

> Ụnụ tụnyere òtù anyị, anyị ga-eme ka ụmụ ụnụ niile gụọ akwụkwọ n'efu, bido n'ụlọakwụkwọ nta ruo n'ụlọakwụkwọ kachasị elu. Ọ bụrụ na òtù m emerie, anyị ga-akpọnye ndị okokporo niile nwunye n'otu n'otu. Obodo ụnụ chọọ ihe ọma dịka ụlọ ngwa ahịa, mmiri, ọkụ, kọleji na ihe ndị ọzọ dị ụnụ mkpa, dọnyerenụ anyị ukwu, mgbe ahụ, ihe niile ga-abụ nke ụnụ. Dịka òtù hụrụ ụmụokorobịa na ụmụagbọghọbịa n'anya, anyị merie, a ga-ewepụta ụbọchị ezumike, ụbọchị a ga-etiri ha egwu ahụ a na-akpọ. A ga-ahọpụtakwa minista ọha nke ga na-ahụ maka ndị na-etolite etolite. Disko na ime garagara. Ụnụ tụnyere anyị, ụmụ ụnụ agaghịkwa ele ule ọzọ. A ga-adọkanye onye ọbụla asambodo n'efu, mekwaa ka ha turu abụba ugo akwụkwọ kacha elu.
> (ihu akwụkwọ 3)

Nkwa ndị a niile e kwere dịka blomblo, ha buru ibu n'eluigwe, maa mma n'anya, ma n'ime ha efu, dịkwa njikere ịgbawa. Ọtụtụ ndị ọchịchị n'ọgbakọ ndọrọndọrọ ọchịchị na-ekwe nkwa dị iche iche iji dọta mkpụrụobi ụmụ mmadụ ka ha tụnyere ha vootu ha. Otu ọ dị, ndị ọchịchị ga-ama na ihe ndị a dịka ọkụ, ụlọọgwụ, okporoụzọ, agụmakwụkwọ na nlekọta ahụike n'efu dị ụmụ mmadụ mkpa ma bụrụkwa ihe e kwesịrị inye ha, ya mere a ghaghị inye ha na-enweghị mgbagha ọbụla.

**Mkparịtaụka ihe ndị a Chọpụtara**

N'akwụkwọ nnyocha a, e nyochachara ndụ ndị ọchịchị ndị Igbo nkeọma site n'iji ihe ịmaatụ dabara adaba nke sitere n'akwụkwọ agụmagụ ederede Igbo ụfọdụ. N'ime nke a, e nyochara akwụkwọ agụmagụ atọ nke ọma. Akwụkwọ edemede ndị a e nyochara bụ *O ji ihe Nwata, Ọchịchị Ekperima na Omume onye na-edu Ya*. Ihe ndị a chọpụtara bụ:

N'ọchịchị ndị Igbo, ego bụ ihe na-achịnụ. Ọ bụ sọ naanị ndị nwere ego ka a na-akwanyere ugwu, sọ naanị ha nwere ikike ikwu okwu na gọmenti. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Okoro na Epuchie bụ *O ji ihe Nwata*, mgbe otu n'ime ụmụnna jụrụ, "kedụ onye ọ bụ n'ụlọ Isiguzo? Ha gbuteliri igu ewu tara ma ya fọdụ ịchịkọta ọha obodo Ụmụọma". Otu onye ụmụnna ọzọ ekwuo "onye ọbụla n'ime anyị ma na ọ bụ ego na-achị ụwa taa, ọ bụ sọọsọ ndị nwere ego ka ọnụ na-eru n'okwu".

A chọpụtara na ọtụtụ ndị Igbo na-azọ ọkwa ọchịchị na-ekwe nkwa ụgha. E gosịrị nke a n'akwụkwọ Otukwu bụ *Ọchịchị Ekperima*, mgbe Udemba kwere ndị obodo nkwa na ọ bụrụ ha atụnyere Amadi vootu, ya emerie, ha ga-arụrụ ha okporoụzọ, ụlọọgwụ, ụlọakwụkwọ na mmepe ndị ọzọ dị iche iche mana n'ikpeazụ o nweghị ihe ha rụrụ.

Inwe oke ọchịchọ na oke mmasị banyere ọchịchị bụ nke na-edubanye ndị ọchịchị ime ihe ọjọọ ọbụla a gwara ha mee. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Otukwu, *Ọchịchị Ekperima*, mgbe Amadi na-achọ ọkwa onyeisi oche Amaizu. Ọ bụrụ na o nweghị oke mmasị na oke ọchịchọ n'ọchịchị, ọ gaghị adabanye n'ịdụ isi Udemba kwanyere ya ka ọ dụọ.

Ndị na-enyere ndị pụtara maka ịzọ ọkwa ọchịchị aka na-enwe naanị mmasị nke onwe ha. A chọpụtara nke a n'akwụkwọ Otukwu, *Ọchịchị Ekperima*, mgbe Udemba deere Amadi akwụkwọ ka ọ kwụnyere ya nde naịra iri abụọ n'ụlọakụ ya. Ma Udemba chefuru na ego a na-akwụnyere ya bụ ego a ga-eji emezi obodo.

A hụkwara ịnụ ọkụ n'obi gabigara oke na agụụ ọchịchị bụ ihe a hụtara na ndụ ndị ọchịchị. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Omume Onye na-edu Ya* nke Nwadike, ebe agụụ ịbụ onye eze na-agụsi Ikechi ike ma chefuo na ọ bụghị ọchịchị ndị obodo ime ya onye eze obodo ha.

**Alo**

Ndị ọchịchị kwesịrị ịbụ ndị nwere ezi omume na ntụkwasịobi n'ọrụ ha. Ndị ọchịchị kwesịrị igosipụta agwa ọma dịka ịdị umeala, ịrụsi ọrụ ike na ịdị njikere ịrụ ọrụ maka ọdịmma ọha mmadụ. Ọ bụghị naanị ịnata ikike ka ha kwesịrị ike, kama ha ga-eji ikike ahụ mee ihe n'ụzọ ga-ewetara obodo ha mmepe na ọganiihu.

A na-atu anya ka ndị ọchịchị zere omume ọjọọ dịka anyaukwu, ịkpa oke na mmegbu nke ikike mmadụ. Ha kwesịrị iguzosi ike n'eziokwu n'ihe ha na-eme ma hụ na iwu na-achị obodo ha na-arụ ọrụ na-enweghị ịkpa oke. Nke a ga-enye aka iwulite ntụkwasịobi n'etiti ndị ọchịchị na ndị a na-achị, nke bụ isi ihe dị oke mkpa n'ọchịchị onye kwuo uche ya.

Ndị ọchịchị kwesịkwara ịdị njikere ige ntị n'olu ndị mmadụ ha na-achị. Nke a pụtara na ha kwesịrị Ị na-ewere alo, mkpesa na echiche dị iche iche sitere n'aka ndị obodo. Mgbe ha na-eme mkpebi, ha kwesịrị ilebara mkpa na ọdịmma ndị obodo anya, ọ bụghị naanị ihe ga-abara ha onwe ha uru maọbụ ndị otu ha.

N'aka nke ọzọ, ụdị ndụ a na-atụ anya n'aka ndị ọchịchị gụnyere ịdị na-aza ajụjụ n'ihe ha na-eme. Ndị ọchịchị kwesịrị ịkọwa omume ha n'ihu ọha mmadụ ma kwadebe ịza ajụjụ gbasara mkpebi ha na omume ha. Nke a ga-eme ka e nwee nghọta na mmepe na ọchịchị ma belata mmejọ na mmegbu nke ike ọchịchị.

**Mmechi**

N'ịtụle isiokwu a n'ụzọ miri emi, o doro anya na agụmagụ ederede na-arụ ọrụ dị oke mkpa dịka enyo e ji ahụta ma na-enyocha ndụ na omume ndị ọchịchị n'ala Igbo. Ndị odee na-eji ọrụ ha gosipụta ezi ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị site n'iwepụta ụdị agwa dị iche iche ndị ọchịchị na-egosipụta, ma nke ọma ma nke ọjọọ. Site n'ụzọ a, agụmagụ na-enye ndị na-agụ ya ohere ịmata ma ghọta nke ọma omume ndị a na mmetụta ha nwere n'ọha mmadụ. Ọzọkwa, ọ na-enye aka ịkọwa eziokwu gbasara ihe ndị na-emekarị n'ime ọchịchị nke a na-ahụghị anya ozugbo, site n'iji nka na echiche miri emi mee ka eziokwu ndị ahụ pụta ihe.

N'otu aka ahụ, agụmagụ ederede na-arụkwa ọrụ nkatọ na nkụzi n'ebe ndị mmadụ nọ. Ọ bụghị naanị igosipụta nsogbu ka ọ na-eme, kama ọ na-akpọkwa oku ka e nwee mgbanwe site n'ịkatọ omume ọjọọ ndị ọchịchị na omume ndị ndọrọndọrọ ọchịchị jọgburu onwe ha. Ndị odee na-eji akụkọ, agwa na ihe omume dị iche iche kụziere ndị ọchịchị ụzọ ziri ezi ha kwesịrị isi na-edu obodo. N'ụzọ dị otu a, agụmagụ na-arụ ọrụ dịka ngwa mmegharị uche na mgbanwe, ebe ọ na-akwalite ezi omume, ịrụ ọrụ nke ọma na ntụkwasịobi n'ime ọchịchị onye kwuo uche ya.

Ka o sila dị, e nwere nnukwu ihe ịma aka metụtara etu ndị mmadụ si ele agụmagụ Igbo anya n'oge a. Ọtụtụ ndị na-agụ akwụkwọ na ahọrọ agụmagụ mba ọzọ karịa nke e dere n'asụsụ na omenala ha, nke na-eme ka agụmagụ ederede Igbo ghara inweta nkwado kwesịrị ekwesị. Nke a na-egbochi uto ya na mmetụta o nwere ike inwe n'ịgbanwe ndị mmadụ. N'ihi ya, ọ dị mkpa ka e nwee mgbalị siri ike n'ịkwalite, ịkwado na ịkụziri ndị mmadụ uru agụmagụ ederede Igbo bara, n'ihi na site na ya ka a ga-esi melite nghọta gbasara ọchịchị, gbanwee omume ndị ọchịchị ma wulite ọchịchị onye kwuo uche ya siri ike na nke ga-adịgide adịgide n'ala Igbo.

**Nrụtụaka**

Adeleye, I. (2010). Nepotism and Governance in Nigeria: A Critical Appraisal. *Journal of African Political Studies*. 15(12).45-62.
Afigbo, A.E. (2006). *Ropes of Sand: Studies in Igbo History and Culture.* Ibadan: University Press.
Anozie, C.C. (2003). *Igbo kwenu (Akụkọ na Omenala ndị Igbo*). Enugu: Computer Edge Publishers.
Aristotle. (1987). *Poetics. Translated by Richard Janko.* Indianpolics: Hackett Publishing Company.
Collier, P. & Vicente, P.C. (2012). Violence, Bribery and Fraud: The Political Economy of Elections in Nigeria. *Journal of Development Economics* 99(2), 175-189.
Ekwealor, C.C. (2013). *Omenala na Ewumewu Igbo.* Onitsha: Africana First Publishrs.
Ezeani, E.O. (2012). *Fundamentals of Public Administration*. Enugu: Snaap Press.
Heywood, A. (2013). *Politics.* London: Palgrace Macmillan 4th (ed.).
Isichei, E. (2004). *A History of the Igbo People.* London: Macmillan.
Iwuamadi, K.C. (2013). Political Deception and Electoral Accountability in Nigeria. *Journal of African Elections* 12(1), 89-108.
Nnoli, O. (2011). *Introduction of Politics*. Enugu: Pan African Centre for Research.
Nwadike, I.U. (2007). *Foundations of Igbo Literary Studies*. Nsukka: University of Nigeria Press.
Nwadike, I.U. (2008). *Omume Onye na-edu Ya.* Onitsha: Pacific Publishers.
Nwagbara, U. (2010). Theorizing Mirror Image of African Literature. *Journal of Pan African Studies.*
Nwala, T.U. (2012). *Igbo Philosophy.* Lagos: Literamed Publications.
Nwala, T.U. (2014). *Igbo Philosophy*. Lagos: Literamed Publications.
Nwosu, A. (2012). Agụmagụ Ederede Igbo: Nlekọta Ọchịchị na Omume Ọchịchị. *Journal of Igbo studies*. 4(2), 45-60.
Odoemene, A. (2012). Politics and the Public sphere in Nigeria. *Journal of Asian and African Studies*. 47(3), 1-15.
Ogundiya, I.S. (2010). Democracy and good governance: Nigeria's delimma. *African Journal of Political science and International Relations*. 4(6), 201-208.
Ojo, E.O. (2015).Abuse of Power and Democratic Governance in Nigeria. *Journal of Governance and Development.* 11(120, 55-72.
Okafo, C.U. & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi Asụsụ Igbo.* Onitsha: A.C. Global Publishers.
Okafor, F.U. (2010). *Nigeria Government and Politics*. Onitsha: Africana Pubishers.
Okeke, C.O. (2010). Traditional Governance and Community and the culture of Primitive accumulation in Nigeria. *International Journal of Peace and Development Studies*. 1(2), 15-24.

ISSN: 3121-8598 (PRINT); E-ISSN: 3121-9403 (ONLINE)

Okeyika, J.I. (2021). Agụmagụ Ederede Igbo Dịka Enyo e ji Ahụta Ndụ: Ileba Anya n'Agụmagụ Ụkwa Ruo Oge Ya na Isi Akwụ Dara n'Ala. *Enyo Jonal otu ndi ji Edemede Akwalite Asusu na Omenala Igbo.* 2(1), 1-8.

Okolie, A.M. (2015). *Contemporary Readings on Nigeria's External Relations*. Enugu: John Jacobs.

Okoro, L.C. & Epuchie, D.N. (2006). *O ji Ihe Nwata Welie Aka Elu*. Owerri: Divine Mercy Publishers.

Okoro, P. (2008). *Agumagu Ederede Igbo na Usoro Ọchịchị*. Enugu: Rhyce Kerex Publishers.

Otukwu, O. (2014). *Ọchịchị Ekperima.* Onitsha: Noble Graphic Press.

Silas, M.O. (2011). The Oral Literature in Written Form: Its Concept in the Society. Retrieved on 16th December, 2014 from http://www.penguim.com